# IGBO CATHOLIC COMMUNITY (ICC) OF NEW YORK,
# AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 3RD SUNDAY IN ADVENT (YEAR A)
## SUNDAY, DECEMBER 14, 2025

**HYMNS:**

**ENTRANCE:** HERE I AM LORD/ODIGHI ONYE…<br>
**OFFERTORY:** ONYINYE OMA/CHINEKE ONYEOMA<br>
**CONSECRATION:** JESU AGBADATAGO N'ALTAR<br>
**COMMUNION:** DOZIENU UZO<br>
**POST COMMUNION:** O SACRAMENT MOST HOLY<br>
**DISMISSAL:** EKELE DIRI GI CHUKWU

## EKPERE MMEGHE

Dinwenu Chineke anyi, lekwasa anyi bu umu Gi anya, ndi ji okwukwe na-akwadowe maka obibia nke Nwa Gi Jesu Kristi. Biko, mee ka anyi were obi na-anu oku mgbe nilw na-eme emume anuri nke a, wee soro nweta nnukwu anuri nke alaeze Gi. Site na Dinwenu anyi Jesu Kristi Nwa Gi.

## IHE OGUGU NKE MBU AIZAYA 35:1-6, 10

***Isi Okwu: Chineke n'onwe Ya na-abia izoputa unu.***

Ka ozara na ala kporo nku nuria. Ka ichakiri ala nuria meputakwa okooko. Eee! Ya meputa okooko osisi mara mma. Ya nuria onu, kweekwa ukwe anuri. Aga-etuwe ya ugo e tuwere Lebanon; biakwa doo Onyenweanyi, na ebube nke Chineke anyi. Mee ka aka nile na-esighi ike, gbasie ike; ka ukwu nile na-ama jijiji n'ala guzosie ike. Ma gwanu ndi obi ha na-ada mba si: 'Nwenu obisike, egwu atula unu.' Leenu anya, Chineke unu na-abia. Ibo obo na ikwughachi ugwo nke Chineke na-abia. O na-abia izoputa unu. Mgbe ahu ka a ga-eme ka ndi ngworo wulite elu di ka ele; ka ire dara ogbi kwewe ukwe anuri; n'ihi na ndi Onyenweanyi gbatara agbata ga-aloghachi. Ha ga-etiri mkpu onu bata na Zayon; anuri ebighi ebi anorochaa ha n'ihu. Anuri na obi oma ga na-eso ha. Onuma na ikwa akwa ga-akwusi.
***Okwu nke Oseburuwa.***
***Ekele diri Chukwu.***

## ABUOMA NA AZIZA YA 145:6-10 Az. 35:4

***Aziza: Onyenweanyi, bia zoputa anyi.***

1. O bu ya na-edowe nkwa O kwere ruo mgbe ebighi ebi. O na-enye ndi a na-emegbu emegbu ihe ruuru ha. O bu Ya na-enye ndi aguu na-agu nri. O bukwa Onyenweanyi na-eme ka ndi e ji eji nwere onwe ha. ***Aziza.***
2. Onyenweanyi na-eme ka onye isi huwa uzo. O na-ekulite ndi dara n'ala elu. O bu Onyenweanyi na-echekwawa onye obia. O bukwa Ya na-egbo mkpa nwanyi isimkpe na nwamgbei. ***Aziza.***
3. Onyenweanyi na-ahu ndi ezi omume n'anya; biakwa na-emebisi uzo ndi ajo mmadu. Onyenweanyi ga-achigide ruo mgbe ebighi ebi. Chineke nke Zayon ga-adigide ruo mgbe ebighi ebi. ***Aziza.***

## IHE OGUGU NKE ABUO JAMES 5:7-10

***Isi Okwu: "Obi adala unu mba n'ihi na Onyenweanyi na-abia ososo."***

Umunna m, newwnu ogologo ntachi obi ruo mgbe Onyenweanyi ga-abia. Leenu otu onye oru ubi si ewere ndidi eche ubi ya nche ka o miputa ezi mkpuru di oke onu ahia. O na-ewere ogologo ntachiobi, na-eche ubi ya, ruo mgbe o ga-enweta mmiri ozizo nke mbu na nke ikpeazu.

Nwekwaanu ogologo ntachi obi, unu onwe unu; Meenu ka obi unu guzosie ike, n'ihi na obibia nke Onyenweanyi di nso. Umunna m, unu atamula ntamu megide ibe unu, ka Chineke ghara ikpe unu ikpe. Lee, onye oka-ikpe anyi, bu Chineke guzo n'onu uzo! Umunna m, chetanu ndi amuma ochie, ndi buru amuma n'aha ONyeweanyi. Werenu ha mere ihe ilere anya maka inwe ndidi na ogologo ntachi obi n'oge nhuju anya.

***Okwu nke Oseburuwa.***
***Ekele diri Chukwu.***

**ALELUYA Lk 4:18**

Aleluya, aleluya!! E nyela m mmuo nke Onyenweanyi. O zitela m ka m bugara umu ogbenye Ozioma. Aleluya!!!

**OZIOMA MAT. 11:2-11**

***Isi Okwu: I bu Onye ahu na-abianu, ka o bu anyi tuwa anya onye ozo?***

Mgbe Jon no n'ulo mkporo nu maka oru ebube nile Kristi na-aru, o zigaara Ya ufodu ndi na-eso uzo ya. O gwara ha ka ha juo Jesu, si: "O bu Gi bu Onye ahu na-abianu, ka anyi ga-ele anya onye ozo?" Jesu wee zaa ha, si: "Jeenu kooro Jon ihe unu nuru na ihe unu huru: Ndi kpuru isi na-ahu uzo; ndi ngworo na-agazi ije; e meela ka ndi nwuru anwu si n'onwu bilie; e ziela umu ogbenye ozioma. Ngozi diri onye o bula na-atufughi okwukwe na M." Ma mgbe ndi na-eso uzo Jon na-alaghachi, Jesu mailtere igwa igwe mmadu ahu okwu banyere Jon.

O si: 'Mgbe unu jekwuuru Jon n'ozara Judia, gini ka unu jere ka unu kirie? O bu ahihia ikuku na-ebughari? O bu buzi gini ka unu jere ka unu hu? O bu nwoke yi uwe ulari? Ndi na-eyi uwe ulari na-ebi n'obi ndi eze! Gini kwa ka unu puru ka unu hu? O bu onye amuma? Ee, asi M unu, o bu onye kariri onye amuma. N'ihi na Jon bu onye ahu e dere ihe banyere ya n'Akwukwo Nso si: "Lee ana M ezipu onye ozi M ka o buru Gi uzo gaa, Onye ga-edoziri Gi uzo tupu Gi abia." N'igwa unu eziokwu, a bia na ndi nile nwanyi muru, o dighi onye o bula kariri Jon onye ome mmirichukwu. Ma onye dikarisiri nta n'alaeze eluigwe kariri Jon.

***Ozioma nke Oseburuwa*.**
***Otito diri Gi Kristi.***

**EKPERE NHUNYE**

Onyenweanyi, biko nara onyinye ndi a anyi sitere n'ihe oma nile I nyere anyi ere na-ebutere Gi. Otu I si eme ka ofufe anyi na-efe Gi n'elu uwa a na-adi ire, meekwa ka anyi nweta ugwo nke nzoputa ebighi ebi. Site na Kristi Dinwenu anyi.

**EKPERE ANATACHAA ORIRI NSO**

Biko, Onyenweanyi, anyi na-ario Gi, mee ka ihe omimi nke anyi na-anata ugboro ugboro, nyere anyi aka n'uwa. Meekwa ka anyi bu ndi bi n'uwa nke a na-agafe agafe, nwee ihunanya ugbu a maka ihe nke eluigwe, iji keta oke n'uwa ozo. Site na Kristi Onyenweanyi.




© ICC Choir Production